# ONYE AHỤ NKE NAEMEGIDE KRAIST

**II Ndi Tesalọnaika 2:1-12; Daniel 7: 7-28; 8: 23-25; 11: 21-24, 28-32, 36-38, 45; 12:1-3; Nkpughe 13: 1-18.**

**IHEỌMỤMỤ 413**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBU'ISI: "Ihe-omimi nke nmebi-iwu nālusi ọlu ike ugbu a: nání rue mgbe agēwepu onye ahu n'etiti, bú onye nēgbochi ugbu a" (II Ndi Tesalọnaika 2:7).**

**I. Ọtụtụ Ihe nke Gaeme Tupu Ọchịchị nke Onye ahụ Naemegide Kraist**

1. Ndapụ n'okwukwe aghaghị ibu ụzọ dị, II Ndi Tesalọnaika 2:1-3
2. Nwelikọ nke NzukọKraist ahụ gaagasị tupu ekpughee onye ahụ naemegide Kraist, II Ndi Tesalọnaika 2:5-8; Aisaia 26:20,21.

**II. Onye ahụ nke Naemegide Kraist**

1. Emere ọgbụgbandụ n'etiti ya na ndi-Ju ma mebie kwa ọgbụgbandụ ahụ, Daniel 9:27; 11: 30-32.
2. Ọ bụ onye ọchịchị nke ụwa niile, Daniel 7:7,8,15-25; 11:21-24, 28, 29; Nkpughe 13:7.
3. Setan bụ onye naachị ya, II Ndi Tesalọnaika 2:9-12; Daniel 8:23-25; Nkpughe 13:1-6.
4. Ọ naeweli onweya elu dịka ọ bụ Chineke, II Ndi Tesalọnaika 2:4; Daniel 11:36-38, 45; Nkpughe 13:8-18; Matiu 24:15.

**III. Oké Mkpagbu ahụ**

1. Ọ bụ oge nsogbu, Daniel 12:1-3; Matiu 24:21.
2. Anaawụsa ikpe Chineke n'elu ụwa, Daniel 7:9,10; Nkpughe 16:1-21.
3. Emeriri onye ahụ nke naemegide Kraist, Daniel 7:11, 12, 26.
4. Jisọs Kraist naewere ọ́kwá nke ọchịchị niile, Daniel 7:13,14, 18, 22,27,28.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Onye ahụ nke Naemegide Kraist

Jisọs sịrị: "Mu onwem abiawo n'aha Nnam, ma unu anaraghm: ọ buru na onye ọzọ gābia n'aha nke aka ya, onye ahụ ka unu gānara" (Jọn 5:43). Onye a nke gaabịa n'aha nke ya abụghị onye ọzọ karịa onye ahụ nke naemegide Kraist nke Jọn dọrọ akanántị banyere ya sị "unu nu-kwa-ra na otù onye nke nēmegide Kraist nābia" (I Jọn 2:18). Pọl Onyeozi kpọrọ ya "onye ahu nēmebi iwu," "Nwa nke ila n'iyi."

Ma otù ọ dị agwara anyi na ọ gaabịa tupu ụbọchị nke Kraist. Nke ahụ bụ na ọ gaabịa wee chịa ọchịchị tupu mkpughe nke Kraist nke gaadị n'ọgwụgwụ nke óké Mkpughe ahụ. Ka anyi lee usoro nke ihe dị icheiche gaeme dịka agwara anyi na II Ndi Tesalọnaika 2.

### Ndapụ N'Okwukwe ahụ

Ndapụ n'okwukwe gaebu ụzọ dị. Eleghị anya ihengosịpụta kachasị ukwu nke ịdapụ n'okwukwe abụrụwo ndaghachiazụ pụa n'ozizi niile ahụ bụ ntọala nke Nzukọ Kraist wee naeche iru n'ozizi ọgbaraọhụ. Ọtụtụ mmadụ naejidesi aha ahụ ike bụ́ "OnyeKraist" ma naagọnarị ịbụ Chineke nke Kraist. Ha naekwu n'ezie na ha naezi ihe site na Baibụl, ma naagọnarị ọlụ ebube niile nke dị nime ya. Ha naekwenye na ọ dị "Onye Kachasị ihe niile" ma naewere ozizi nke Dọwin (Darwin) naedochi ihe edere na Jenesis maka Okike ụwa. "Ndi nēnwe udi nke nsọpuru-Chineke, ma ha agọwo ike-ya: gi gbakuta kwa ndia azu."

### Mmụọ Nsọ ahụ

N'ịga n'iru, mgbe ndapụ n'okwukwe ahụ gasịrị, anyi gụrụ ihe banyere Onye ahụ nke ka na-egbochi mkpughe nke onye ahụ na-emegide Kraist. N'ihi na ihe-omimi nke nmebi-iwu nālụsi ọlụ

ike ugbu a: nání rue mgbe agēwepu onye ahu n'etiti, bú onye nēgbochi ugbu. Mgbe ahụ ka agēkpughe kwa onye ahụ nēmebi-iwu" (II Ndi Tesalọnaika 2:7,8). Onye ahụ nke naegbochi ugbu a abụghị onye ọzọ karị kwa Mmụọ nke Chineke, Mmụọ Nsọ ahụ Onye ezidatara n'ụwa n'Ụbọchị Pentikọst, Onye naanọgide kwa rue taa naachọpụtara Kraist Nwunyeọhụ. Mmụọ Nsọ ahụ gaarapụ ụwa nka Ya na Nwanyi ahụ Anaalụ ọhụ iwere anyi nyefee Kraist, na Mwepụ na nzuzo ahụ nke Nzukọ Kraist.

"Bịa, ndim, bata nime—ulo-gi nile, mechibido uzọ-gi nile n'azu-gi: zobe onwe-gi, nání otù ntabi-anya ntà, rue mgbe oké iwe gāgabiga" (Aisaia 26:20).

Ka Nwayi ahụ anaalụ ọhụ naanọ n'udo n'ulondò nke Chineke naañụrịọñụ n'Oriri ỌlụlụNwunye nke Nwaatụrụ ahụ, mgbe ahụ agaekpughe onye ahụ nke naemegide Kraist n'elu ụwa. Mgbe ọchịchị nke onye ahụ naemegide Kraist bụ nke gaadị na nwa oge gwụsịrị, Onyenweanyi gaebibi onye ahụ nke naemegide Kraist site na "ngosi (nnwupụ) nke ọbịbịa-Ya." Ọbịbịa nke gaabụ mkpughe nke Kraist ná mmalite nke Ọchịchị otù puku arọ ahụ.

**Iheomimi nke Mnebiiwu**

Iheomimi nke mmebiiwu ahụ nke lụrụ ọlụ n'ụbọchị nke Pọl naalụsi kwa ọlụ ike n'ezie karịa n'oge nke anyi. Otù nime nduhie siri ike nke naeju mmadụ anya karịsịa n'ụbọchị taa bụ nke ndị anaakpọ Kọmunizim (Communism). Okpukpe ọjọ a nke ekweghị na Chineke nke eguzobere ná nchepụta nke ndikom naekweghị na Chineke nke eguzobere ná nchepụta nke ndikom naekweghị na Chineke bụ Marx na Engels nke naekwenkwa ọchịchị dịmma na ezi mbikọrịta n'obodo nke anaapụghị imezu, ma naetnye ụmụ mmadụ nime nhụjuanya na ịbụorù. Ọ naajụ ihe bụ eziokwu, ma naewere ihe ọ bụla nke naeme ka ọlụ ya gaa n'iru dịka eziokwu. "O wee tuda eziokwu n'ala, me ihe, ihe gakwara ya" (Daniel 8:12). Site n'ihe banyere iwebata ndi mmadụ n'okpuru otù ọchịchị na inwe ikíké n'ebe ọtụtụ mba nọ site n'ụgha na mgbasaozi ụgha, okpukpe Kọmunizim (Communism) abawo ụba ma bụrụ kwa ndị naachị otù ụzọ n'ụzọ atọ nke elu ụwa niile na ihe karịrị otù nke ọnụọgụgụ mmadụ niile bi n'ụwa. Ozizi a nke ekweghị na Chineke dị, naewezuga Chineke ma naewere kwa mmadụ na iheọmụma nke anaakpọ saiensi (science) dochie anya Ya. Ọ naekwenkwa inye udo, ma naakwagide imeiheike na ịwụaiọbara. Ozizi a naeweda ọnọdụ mmadụ site n'ịbụ onye nwere mkpụrụobi nke naadịghị anwụanwụ gaa n'ịdị ka anụmanụ ma naama kwa onye ọ bụla nke naekwenyeghi n'oziziya ikpeọnwụ. Ọ na akwagide ụgha, izuori, omume ọjọ na adighị ọcha, ọbụná igbu mmadụ ma ọ bụrụ na ọ gaeme ka ọlụ Kọmụnizim (Communism) gaa n'iru.

**Onye ahụ nke Naemebi Iwu**

Site na ndọrọndọrọ ọchịchị nke yiri oké osimiri nke ebilimmiri naamagharị ka otù onye gaebili "onye ahụ, nke ọbịbịa ya dị ka ilusi-ọlụ-ike nke Setan n'ike nile ọ bula na ihe-iriba-ama di iche iche na ọlu-ebube di iche iche nke ụgha, n'aghụghọ nile nke ajọ-omume." Onye a, onye ahụ nke naemegide Kraist, ka anaakpọ kwa "onye ahu nke nēmebi iwu," nke naapụta, mmadụ ahụ nke naadịghị edebe iwu. Nke ahụ bụ okwu dị mkpa icheta. N'ihi gịnị? N'ihi na nke ahụ bụ nọọ ihe ọ bụ -- onye naadịghị asọpụrụ iwu. Ọ naeleli iwu niile, ma ewezuga nke ahụ ya onweya nyere.

Ike o nwere iji dughie bụ ihe siri ike nke ukwu nke mere na ọ gaeju ụwa niile anya ha gaenwe kwa mmasị n'ebe ọ nọ. Ụmụ mmadụ ga naekwusa sị, "Ònye yiri anu-ọhia ahụ? ònye pu-kwa-ra ibu agha megide ya?" Ọ naekwu ọtụtụ ihe dị ukwu ma naadọrọ kwa ụwa nye onweya. N'ịkọwa ya dịka anụọhịa o nwere ụdị agụ, anụọhịa bear, na ọdụm. Nka naegosi na nime alaeze ya ka emere ka ha pụta ìhè bụ ihe ụfọdụ ndi ahụ nke eji mara alaeze niile ahụ nke akọwara na Daniel 7. Ịmamma nke dị ka ọlaedo nke Babilọn, ike dị ukwu nke Midia-Peasia, ịchọmma nke ọlụnkà na amamihe nke Grik, iwu akaike na inyeahụhụ nke ndị Rom ka ejikọtara ọnụ ime ka ụmụmmadụ were egwu na nsọpụrụ guzo n'iru onye-ọchịchị dị otú ahụ.

"Ọ bụ kwa n'obi-ya ka ọ gēme onwe-ya; ọ bu-kwa na mgbe udo-ha ka ọ gēbibi ọtutu madu." Udo na inwe àkụnụba, ihe abụa nke ụmụmmadu naachọsi ike, ka ọ gaemezu na nwa oge. "Ọ gābata nime na mgbe udo, were ire-utọ nile nata ala-eze ahu" (Daniel 11:21). "Na mgbe udo na imegide ebe nile di urù nke ala anāchi-achi ka ọ gabia; ọ gēme kwa ihe nke nna-ya hà na ndi bu nna nna-ya-hà nēmegh; ihe nluta-n'agha na ihe-nkwata na àkù ka ọ gēkesara ha" (Daniel 11:24).

**Ihearụ ahụ nke Naakpata Ịtọgbọrọ N'efu**

Dịka anyi si ghọta Daniel 9:27, onye ahụ nke naemegide Kraist na ndi-Ju gaenwe ọgbụgbandụ rue arọ asaa (otù izu nke ámụ́má). Ọgbụgbandụ a naejikọta inye ndi-Ju ikíké iwu uloukwu Chineke ha n'elu Ugwu Moraia, ebe ahụ Solomon wuru Uloukwu Chineke na Jerusalem. Ndị-Ju gaamalite òfùfè ha site n'ịchụ àjà dị icheiche n'uloukwu ha. Na nkera nke oge a, onye ahụ nke naemegide Kraist gaemebi ọgbụgbandụ ahụ nke ya na ndi-Ju gbara wee "nēweli kwa onweya elu imegide ihe nile anākpọ Chineke ma-ọbu nke bu ihe anasọpuru dika Chineke; ya mere ọ nānọdu n'ulo nsọ nke Chineke nēgosi onwe-ya si na ya bu Chineke" (II Ndi Tesalọnaika 2:4). Nka bụ "ihe-árú nke nākpata itọgbọrọ-n'efu, nke ekwuru site n'ọnụ Daniel onye-amụma" (Matiu 24:15).

Iji gaa n'iru n'ọchịchọ ya ịbụ onye anaefe òfùfè, anyi naahụ anụọhịa ọzọ ka ọ naesi n'ala rigopụta, onye amụma ụgha, onye ọlụ ya bụ ime ka ụwa kwenye ịbụchi nke anụọhịa mbụ ahụ, na ịchọ kwa ka efee ya òfùfè. Ọ bụ ezie na onye amụma ụgha ahụ yiri nwa atụrụ n'ile ya anya, okwu ọnụ ya naekpughe ebe ike ya sitere -- ekwensu -- "ọ nēkwu okwu dika dragọn ahu."

**Akàrà nke Anụọhị a ahụ**

Ikíké zuru okè nke Setan nwere site ná ndikom abụa ndịa ka egosiri site n'ịchọ ka akaa onye ọ bụla nọ n'okpuru ha ákàrà nke ikwesịntụkwasịobi n'aka nri maọbụ negedegeiru. Mmadụ apụghị ịzụ maọbụ ire ihe na enweghị akàrà nka; ma inweta akàrà ahụ gaewetara onye ahụ ọnwụ ebighiebi n'ọkụ alammụọ. "Ọ buru na onye ọ bula nākpọ isi-ala nye anu-ọhia ahu na ihe-oyiyi-ya, nānata kwa akàrà-ya n'egedege-iru-ya, ma-ọbu n'aka ya, yaonwe-ya gńńu kwa nime manya nke ọnuma Chineke, … agēji kwa ọku na brimstone mekpa ya aru … anwuru-ọku nmekpa-aru-ha nārigo rue mgbe nile ebigh-ebi; ha adigh-ezu kwa ike ehihie na abali, bú ndi nākpọ isi ala nye anu-ọhia ahu na ihe-oyiyi-ya ma ọ buru kwa na onye ọ bula anata akàrà nke aha-ya" (Nkpughe 14:9-11). "Rọputaranu onwe-unu ta onye unu gēfè òfùfè" (Joshua 24:15).

**Ijiotùihe tụnyere iheọzọ**

Mmeri nke Setan site n'onye ahụ nke naemegide Kraist dị mkpụmkpụ. Site n'oge ahụ o weliri onweya elu dịka Chineke rue n'ọgwụgwụ nke ọchịchị ya bụ nánị iri ọnwa anọ na abụa. Were nka tụnyere Ọchịchị nke otù Puku arọ nke Kraist n'elu ụwa, ka ị rọrọ Kraist taa. Ka o doo gị anya na aha gị dị n'akwụkwọ nke Ndụ nke Nwaatụrụ ahụ, ma ọ bụghị otú a ị gaabụ onye nke ejidere n'ọ́nyà nke onyeisi ndị nduhie ahụ. "Ndi nile ndi bi n'elu uwa gākpọ kwa isi ala nye ya, onye ọ bụla anēdegh aha-ya n'akwụkwọ nke ndu nke Nwaaturu ahu Onye egbuworo site n'oge ịtọ ntọ-ala nke ụwa" Nkpughe 13:8). Èdewo aha gị n'ebe ahụ?

Ọ bụ ezie na ọchịchị nke onye ahụ naemegide Kraist naekwe nkwa udo, ma ngwangwa ọ naeweli onweya elu dịka Chineke ka Onye ahụ nke pụrụ ime ihe niile naamalite ịwụsa ikpe dị icheiche n'elu ụwa. Anyi kwesịrị ịmu Akwụkwọ Nkpughe iji hụ ihe gaje ime ná mkpirisi oge a nke oké mkpagbu ahụ. "Ma murunu anya n'oge ọ bụla, nārịọ aririọ, ka unu we ka n'ike igbanari ihe nile ndia nke gaje ime, na iguzo n'iru Nwa nke madu" (Luk 21:36).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kpọọ usoro nke ihe niile ahụ gaeme tupu Ọchịchị nke Puku arọ ahụ.
2. Òlee ihe ndapụ ahụ pụtara?
3. Òlee ebe onye ahụ nke naemegide Kraist si enweta ike ya?
4. Òlee ebe mgbasa nke ọchịchị ya gaeru?
5. Gịnị gaeme ndị ahụ natara akàrà ya?
6. Gịnị bụ "ihe-aru ahu nākpata ịtọgbọrọ n'efu"?
7. Òlee aha ụfọdụ ọzọ sitere n'Akwụkwọ Nsọ nke anaakpọ onye ahụ naemegide Kraist?
8. Ogologo oge ra añaa ka onye ahụ naemegide Kraist gaachị?
9. Òlee ebe onye ahụ nke naemegide Kraist gaeme isiobodo nke ọchịchị ya?
10. Òlee otú agaesi kwatue onye ahụ nke naemegide Kraist?